# Olee Ihe Dị Iche?

**Olee ihe atọ dị iche na foto abụọ a? Dee ihe ị zara n'okpuru ebe a. Teekwa foto a kreyọn.** IHE GA-ENYERE UNU AKA: Gụọnụ Ọpụpụ 25: 10-22.

**1**.............................................

**2**.............................................

**3**.............................................

**4.** Olee foto nke e setara? Ọ̀ bụ nke A ka ọ̀ bụ nke B?

**A.**



**B.**



IHE UNU GA-AKPARỊTA: **Olee ihe igbe ọgbụgba ndụ ahụ nọchiri anya ya n'Izrel?** IHE GA-ENYERE UNU AKA: Gụọnụ Ọpụpụ 25:22; Levitikọs 16:2. **Olee ihe ka mkpa karịa Igbe ahụ?** IHE GA-ENYERE UNU AKA: Gụọnụ Jọshụa 7: 1-6, 11, 12. **Olee ihe mere i kwesịrị iji rubere ma mama gị ma papa gị ma Jehova isi?** IHE GA-ENYERE UNU AKA: Gụọnụ 1 Samuel 15:22, 23; Ndị Efesọs 6:1-3.

IHE UNU GA-EMEKỌ ỌNỤ: **Ka onye ọ bụla n'ime unu mee nchọnchọ gbasara igbe ọgbụgba ndụ. Unu mechaa, unu abịakọta ọnụ, onye ọ bụla ekwuo ihe ọ chọpụtara. Dị ka ihe atụ, jụọ ha ihe ndị dị n'igbe ahụ? Seenụ ha esee. Unu sechaa, unu akparịta ha.** IHE GA-ENYERE UNU AKA: Gụọnụ Ndị Hibru 9:4. **Olee otú Jehova kwuru e kwesịrị isi na-ebu igbe ahụ? Olee ihe merenụ mgbe Devid na-ebughị igbe ahụ otú ahụ Jehova kwuru?** IHE GA-ENYERE UNU AKA: Gụọnụ Ọpụpụ 37:5; 1 Ihe E Mere 13:7, 9-14; 15:12-15.

**1.** Okporo osisi na ihe yiri mgbaaka adịghị na ya.
**2.** Nku ndị cherọb ahụ kwesịrị isachi ihe mkpuchi ahụ.
**3.** Ihu cherọb ndị ahụ kwesịrị ikpudo n'ihe mkpuchi ahụ.
**4.** B.

www.jw.org © 2011 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania